# NNYOCHA NKAASỤSỤ DỊ N' IDUUAZỊ ỌJA DUFUO DIKE NKE RAY C. ANENE DERE

**Nke si n' aka**

**Comfort Nwuka Ezebuilo Ph.D.**
**Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University of Nigeria,**
**Nsukka.**

**Jacinta Ndidi Okey-Agbo**
**Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University of Nigeria,**
**Nsukka.**

**Idoko Adam, Fadila Nwadimkpa**
**Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University of Nigeria,**
**Nsukka.**

**na**

**Ogbu, Christiana Kelechi**
**Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University of Nigeria,**
**Nsukka.**

**Ụmị**

*Nchọcha a gbadoro ụkwụ na nkaasụsụ dị n' iduuazị Ọja Dufuo Dike nke Ray C. Anene dere. Site n'ịgbaso usoro nkọwa (usoro diskriptivu), ndị odee nyochara isiokwu a ma tụcha ya nke ọma. Ọ bụ site nkaasụsụ ndị a hụtagasịrị n' Ọja Dufuo Dike ka e ji nweta njiatụle (data) e ji rụọ ọrụ na nchọcha a. A gara n' ihu depụtagasịa nkaasụsụ ndị ahụtara ma nye ọsịsa ajụjụ nchọcha a jụgasịrị. Nchọpụta e nwetara na-egosi na ọrụ nchọcha a ga-abawanye amụmamụ e nweburu n'agụmagụ e dere ede Igbo n' ihi na ọ gbara n'anwụ ụdịdị agwa dị iche iche ụfọdụ ji emegide ibe ha na ka onye a na-emegide siri nagide mkpagbu ndị ahụ. Ndị odee tụnyere aro ka a gbaa mbọ na- enyocha akwụkwọ agụmagụ ndị ọzọ e dere n' asụsụ Igbo n'ihi na ọ ga-eme ka ihe gbasara nkaasụsụ doo ndị na-amụ asụsụ, tụmadị ndị nwere mmasị n'ịgụ akwụkwọ anya.*

## NTỌALA NCHỌCHA

Asụsụ bụ ụzọ kachasị doo anya nke mmadụ na ibe ya si emekọrịta. Ọ bụ Otu na njirimara mmadụ dị ndụ ma na-ekukwa ume nwere. Anụmanụ ndị ọzọ dị ka ewu, ọkụkọ, nkịta, ehi, dgz e nweghị asụsụ kama ha nwere ụzọ dị iche iche ha si ezirita onwe ha ozi. Ụfọdụ na-ezipụta nke a site n' ibe akwa, ime mkpọtụ na mmegharị akụkụ ahụ dịka ite ọdụ. Agbụrụ dị iche iche nwere asụsụ nke ha na-asụ ma na-aghọtakwa. N'ala Naịjirịa, e nwere agbụrụ dị iche iche dịka Awụsa, Yoruba, Igbo, Efik, dgz. Agbụrụ ndị a niile nwere asụsụ. Otu a ka ọ dịkwa ndị Bekee na ndị mba ọzọ nọ n'ụwa. Ọ bụ site n'asụsụ ka agbụrụ ndị a si enwe mmekọrịta. Asụsụ bụkarị ngwaọrụ e ji

eme ihe ndị ọzọ, ọkachasị ka o siri metụta agụmagụ nke mmadụ ga-eji echiche miri emi leruo anya. Crystal (1971) kọwara asụsụ dịka, ụdaolu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ maọbụ n'edemede. Hornby (1999) kọwara asụsụ dị ka usoro mmadụ si eji ihe ngosi na ihe nnọchiteanya dị iche iche ezịrịte onwe ha ozi bụ mkpụrụokwu nwegasiri nghọta, ndị e nwere ike isụ asụ, dee ede ma ọ bụ gụọ, mee ka a mata ebumnobi mmadụ. Ngoesi (2000) na Ezeuko (2000) hụrụ asụsụ dịka okwu e kwuru n'ọnụ maọbụ e deturu edetu site na mkpụrụ edide ya. Asụsụ dị oke mkpa n'ederede ọbụla. E wezuga asụsụ, edemede agaghị adị, n'ihi na asụsụ bụ isi sekpụ ntị n'ide iduuazi, abụ na ejije. N'agụmagụ, ọ bụ asụsụ bụ isi a hụrụ kwaba okpu. Asụsụ dịka mma isi abụọ. Ọ bụ ya mere na mgbe ọbụla odee agụmagụ na-ede ihe, ọ na-esiri ya ike igbanahụ iji asụsụ nka chọọ agụmagụ ya mma. Ọ bụ n'ihi ya ka Emenanjọ (1982) ji kwuo na asụsụ pụtara ihe n'ụzọ abụọ. Nke mbụ, bụ ụzọ doro mmadụ niile anya ebe nke ọzọ bụ ụzọ dị omimi ma gbagwojuo anya. Asụsụ bụ ọkụ na-egosipụta ihe n'edemede ọbụla. Ndị odee agụmagụ ji nka asụsụ mere ezigbo enyi nke ha agaghị ahapụnwu n'ihi na ọ bụ ya na-enye edemede ha ume ndụ. Ya bụ asụsụ dịka ahụghị ete, ma si arịla nkwụ n'ebe agụmagụ dị. Ọzọkwa, asụsụ bụ ndụ mba n'ihi na ọ bụ ya ka e ji ede ma na-enyocha nka agụmagụ.

Agụmagụ bụ ihe ndị ahụ e chepụtara echepụta gbasara ndụ nke anyị na-ahụ anya na nke anyị anaghị ahụ anya bụ nke e jiri asụsụ n'ụzọ ekwumekwu, ederede na mmegharị ahụ wee zipụta n'ụdị akụkọ, ejije, maọbụ abụ, nke e jiri asụsụ nka wee zipụta dika o siri masị odee Nwadike (1981) kọwara agụmagụ dịka akụkọ ederede na akụkọ akọrọ n'ọnụ nke na-enye obi ụtọ, afọ ojuju, amamihe ma bụrụkwwa nke na-akpalite mmụọ mmadụ, Nwadike (1992) kwukwara n'agụmagụ nka bụ ihe na-ezipụta ma na-akọwapụta ndụ. Ezebuilo na Eze (2022) kọwara agụmagụ dịka enyo e ji ahụta ụwa, echiche ime obi, nke ha ji akọwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya, omenala ha, usoro ọchịchị ha, akụ na ụba ha, na ihe ndị ọzọ metụtara ha mgbe dị iche iche nakwa n'ebe dị iche iche. Ọfọmata (2005) kọwara agụmagụ dịka akụkọ dị iche iche banyere ndụ anyị, ọnọdụ anyị ma mgbe ochie ma oge ugbu a na ihe ndị meegasịrị n' ụwa anyị nọ n'ime ya nakwa ncheta akụkọ. Okafor (2008) kọwara na agụmagụ dịka ihe ndị ahụ echepụtara echepụta gbasara ndụ nke anyị na-ahụ anya na nke anyị anaghị ahụ anya bụ nke e jiri asụsụ n'ụzọ ekwumekwu, ederede na mmegharị ahụ wee zipụta n'ụdị abụ, ejije maọbụ akụkọ ma bụrụkwazị nke e jirii asụsụ nka wee zịpụta dịka o siri masị odee. Nnyocha agụmagụ bụ ihe omụmụ zuru mba ụwa niile ọnụ nke na-eleba anya n'atụmatụ odee, odee n'onwe ya na ederede ya. Nnyocha agụmagụ na-eleba anya na nka dị n' agụmagụ. Cohen (1973) kọwara na nnyocha agụmagụ pụtara mmadụ iji nwayọọ lebanye anya n'akwụkwọ agụmagụ e dere ede iji wee chọpụta usoro Odee gbasoro wee dee agụmagụ ya nakwa ebe o riri mperi. Nnyocha akwụkwọ agụmagụ gbasatara iji anya okenye ji ahụ ihe dịn'akpa ogologo lebanye anya nke ọma n'ime nnyocha ya, wee wepụta isiokwu, ntọala, asụsụ, nhazị, agwa na akparamagwa, olu na ndejọ pụtagasịrị ihe n'akwụkwọ ọ na enyocha (Nwadike 1992). A na-ama echiche ime obi ndị odee mana ọ naghị abụcha oge niile na nnyocha agụmagụ. Ụfọdụ ndị odee na-ezipụta nkwenye ha nwere n'ụwa n'ime akwụkwọ ha, ebe ndị ọzọ na-ezịpụta nke ndị agbataobi ha, enyi ha, ụmụnne ha, na ụwa gbara ha gburugburu. Okafor (2008) n'aka ọzọ wepụtara ụzọ asatọ kwesiri iji mee nnyocha. Ụzọ asatọ ndị a dịwagara iche na nke Nwadike (1981) wepụtara. Ha gụnyere: Iwepụta oge gụọ agụmagụ e nyere gị, Isiokwu, Ntọala, Nhazi, Agwa na Akparamagwa, Ụdịdị, Asụsụ, Nchịkọta na Nkpebi. Isi a hụrụ kwaba okpu n'ihe nchọcha a bụ nyọcha nkaasụsụ dịka ọ dị n'akwụkwọ iduuazị Ọja dufuo dike. Na nchọcha a, anyị ga-agbado ụkwụ n'inyocha na nnyocha nkaasụsụ Ọja Dufuo Dike nke Ray C. Anene dere. Akwụkwọ a nwere ihu otu narị, iri na iteghete. Aha ode nyere akwụkwọ a dabara n'akụkọ dị n'ime ya site n'igwa anyị na onye chọwa ogologo ndụ, ya

zeere oke akpiri na asịrị maka na a jụghị aju rie, na a arịaghị arịa nwụọ bụ nwanne. Akwụkwọ a na-akọwakwa na onye ofeke dịbịa na-agbara afa na-atụgharịkwa n'obi ya tupu o mewe, maka na anụ soro enwe, ọ majie ụkwụ ya; ma anụ nwere ajị soro ngwere maa mmiri, ọ kọọ ngwere, ọ gaghị akọ ya. Akụkọ dị n'ime akwụkwọ a na-akọwakwa n'ụkwụ na-aga wam wam, na anya na-aga sam sam na-ahụ ya. Onye na-egbukwa, ya na-eze isi ya, n'ihi na onye gbuhie, ọ dagbuo ya.

N'Ọja Dufuo Dike, Ray C. Anene gbara mbọ n'iji asụsụ Igbo izugbe dee akwụkwọ ya. Ọ webatakwara olundị n'akụkọ ya. O meghị okwu mbite ebe ọ dị ọtụtụ. Igbo ya gara were were n'ọnụ n'ihi na ọ mara ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara asụsụ Igbo. Odee Ọja Dufuo Dike jiri asụsụ nka hazie akụkọ ya n'isi n'isi. O nyekwaziri isi ọbụla isiokwu. Isi ole dị n' akwụkwọ iduuazị a bụ iri na Otu. Ọ gbasokwara usoro dị mma e ji ede akụkọ n'ihi na otu ihe mee ọ gaa kpalite nkeọzọ. Ray C. Anene webatara asụsụ nka iji chụụ ederede ya mma. Ọ gbaliri n'iji, ilu, ụkabụilu, myiri, mbụrụ, asinilu na atụmatụokwu ndị ọzọga wee saa edemede ya ahụ. Onye ọbụla na-agụ akwụkwọ a na-enwe mmasi ịgụ ya maka n'asụsụ ya dabakwara n'isi ihe ọ na-akọ maka ya.

Otu ọkpụrụkpụ ihe kpatara anyị ji họrọ nnyocha akwụkwọ a bụ ỌJa dufuo dike bụ maka na ọ dịbeghị ndị ma ọ bụ onye merela nnyocha n'akwụkwọ a. Ọ bụ n'ihi nke a ka anyị ji si ka anyị mee nnyocha na ya, iji chọpụta ka odee si gbatadebe mbọ n'ihe o dere nakwa n'ebe oriri mperi n'isonye ihe mgbakwasị ụkwụ kwesiri ilenye anya mgbe a na-ede akwụkwọ agụmagụ. Nchọcha a ga-enyere odee na ndị ọgụụ aka ịchọpụta ebe e riri mperi n'ederede a, ma site n'ụzọ dị etu a mee ka nghọta ha nweburu banyere nkaasụsụ bawanye. Onye ọbụla biriri ọtọ nwere ebe ọ na-aga. n'otu aka ahụkwa, ọrụ nchọchaa nwere ihe ọ chọrọ izipụta. Mbunuuche anyị na nchọcha a bụ inyocha akwụkwọ Ọja Dufuo Dike nke Ray C. Anene bụ ka anyị wee lebaa anya n'asụsụ na nkaasụsụ dịka Odee siri webatachaa ha n'edemede ya. Ọzọkwa bụ izipụta ebe odee siri rie mperi na ederede ya, ndeta na ndejọ ya niile. Ya mere, ajụjụ dị mkpa ọrụ nchọcha a na-achọ ịza bụ etu a ga-esi chọpụta, kọwadaa ma mee ka o doo anya ihe bụ nkaasụsụ site n'inyocha nkaasụsụ dịka ọ dị n'akwụkwọ a bu Ọja Dufuo Dike nke Ray C. Anene dere. Ọrụ a ga-elebanye anya n'isiokwu, nhazị, ntọala, agwa na akparamagwa, asụsụ, na nka asụsụ dịka Odee siri hazịgasị ha n'edemede ya. Ọzọkwa bụ ịchọpụta ebe odee siri rie mperi na ederede ya, nakwa ndehie na ndejọ ya niile.

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'usoro nchọcha nkọwa. Ọ bụ nchọcha nkọwa e mere iji nyochaa nkaasụsụ dị n'iduuazị Ọja Dufuo Dike nke Ray C. Anene dere. Ụdị nchọcha anyị na-eme bụ nchọcha nometiivu nke Nwabụeze (2009) kọwara dịka nchọcha nke odee na-eji echiche aka ya eme ka ihe niile ọ mara gbasara ihe ọ na-eme nchọcha na ya pụta ihe. Usoro anyị siri nata data bụ site n'ịgụ akwụkwọ a bụ Ọja dufuo dike nke Ray C. Anene dere. Anyị rụtụgasiri aka n'akwụkwọ di iche iche tinyere isi sekpụ nti ma ọ bụ isi a hụrụ kwaba okpu bụ Ọja dufuo dike. Ọ bụ n'ala Igbo ka ihe a kọrọ n'iduuazị Ọja Dufuo Dike nọrọ mee. Ihe mere malitere n'Ụmụeze dị n'obodo Ukobo. Ihe nchọcha a ji wee họrọ usoro nchọcha nkọwa n'ime usoro nchọcha ndị ọzọ e nwegasịrị dị ka usoro Sampụlin nke Sọvee, usoro kwọntitetivu, usoro Nnwale (Eksperimentalụ), na usoro ndị ọzọ a kpọghị aha bụ ka a hụ na e mere nchọcha tọrọ atọ na nchọpụta e nwetagasịrị n'ihe ọmụmụ a. Ngwa nchọcha a bụ naanị otu maka na ọ bụ naanị otu akwụkwọ iduuazị.

## NTỤLEGHARỊ AGỤMAGỤ

### Nkaasụsụ

Mba (2013), kọwara nka asụsụ dị ka mmepụta maọbụ ngosipụta mma ekemekeuche. O doro anya na ọ bụghị naanị n' agụmagụ ka nka maọbụ ekemekeuche na-apụta ihe kama, ọ na-

apụtakwa ihe n' ihe ọbụla mmadụ na-eme na ndụ. E nwere ike ịhụta ekemekeuche n'ihe dịka azụmahịa, edemede arụmụka, ịgba bọọlụ, ise ihe osise, ịkwa akwa, dgz. A bịa n' ihe dịka n'azụmahịa, onye na-azụ ahịa na-eji ekemekeuche ya mara ihe o nwere ike itinye n'azụmahịa ya ka o nwee ike na-aga ahịa karịa nke ndị ọzọ, ngwa ahịa ndị ọ ga na-azụ n'oge ụfọdụ na etu ọ ga esi ree ahịa n' oge niile bụchaa ọrụ ekemekeuche. A bịa n'agụmagụ, ọ bụ asụsụ ka odee ji egosipụta ekemekeuche ya. Dịka Okebalama (2008) kwuru, odee ga-eji ekemekeuche ya were asụsụ kpụọ agwa na akparamagwa ndị ọ chọrọ iji kuzie ihe. Ọ ga-esite n'ekemekeuche ya tọọ ntọala ya, ọ wee dabaa n'isiokwu ọ na-ede nakwazi ndịna isiokwu ndị ga-enyere ya aka ịkọwapụta isiokwu ya nke ọma.

**Akanka**

Nwadike (1992) kọwara akanka dị ka sayensi nke na-achọpụta usoro e si ede agụmagụ. Ihe nke a pụtara bụ n' agụmagụ nwere usoro a na-agbaso wee na-ede ya nke onye ọbụla na-arụ ọrụ agụmagụ ga-agbasoriri mgbe ọbụla o na-ede agụmagụ. Ọtagburuagụ, Ogenyi na Ogbodo (2014) n'akwụkwọ ha nke ha kpọrọ na bekee, Explorations on styles, stylistics and the language of literature, kọwara na akanka bụ ụzọ e si ede maọbụ ekwu okwu. Ha sị na ọ bụ ụzọ odee si eji asụsụ akọwa ihe o bu n'uche. Dị ka mmadụ ọbụla si nwee akparamagwa maọbụ ụzọ o si eme ihe dị iche iche, nke gunyere: iyi akwa, ikwu okwu, ịrụ ọrụ dị iche iche, otu ahụ kwa ka ndị maọbụ onye odee ọbụla si nwee ụzọ nke ya dị iche, o si akọwapụta echiche ya n'ihe gbasara agụmagụ. Ya bụ na akanka bụzi ihe ahụ dị iche nke mere ka ihe otu odee dere pụọ iche na nke onye ọzọ dere. Lech na Short (1981) hụtara ya dịka ejirimara nke ndị lingwistik a na-ahụta n' agụmagụ edere ede. Ha na-ekwusi ike na n'ime agụmagụ ọbụla, na a ga-ahụtarịrị ọrụ nka nke eji asụsụ rụọ. Crystal (1981) kwenyere na nke a mgbe o kwuru sị na "lingwistik bụ ngalaba ọmụmụ na-amụ asụsụ n'ụzọ sayensi nakwa na stailistik dị ka mpaghara ma ọ bụ ngalaba a na-amụ ndịiche n'asụsụ. N'otu aka ahụkwa, Leech na Short (1981) kwuru na akanka bụ ihe na-arụ ọrụ izipụta mmetụta odee site n'etu ogo nhazi asụsụ ya ga-esi wee daba. Ihe nke apụtara bụ na ọ bụ n'asụsụ ka akanka odee ji dee edemede ya na-apụta ihe. Mgbe odee gbasoro usoro iwu asụsụ ahụ nabatara iji dee edemede ya, a kpọọ nke ahụ ndaba akanka ma mgbe ọ mafere aka webata olundị maọbụ asụsụ nke onwe ya iji wee dee edemede ya, ihe ana-akpọ nke a bụ ndacha akanka. Ngalaba agụmagụ ọbụla nwere ụzọ maọbụ usoro ọ na-agbaso mgbe ọ na-edepụta ya. Ụzọ ndị ahụ ka a na-akpọ akanka agụmagụ ahụ.

Mmadụ dịka White (1989) n'ime akwụkwọ ya ọ kpọrọ 'A Dictionary of Stylistics'

kọwagasịrị akanka n'ụzọ ndị a na- esote:

- Akanka dịka ụzọ mmadụ si egosipụta onwe ya (style as a manner of expression).
- Akanka dịka iwete mgbanwe (style as variation).
- Akanka dịka ndacha maọbụ ndahie (style as deviation).

Akanka agụmagụ dị ka ụzọ mmadụ si egosipụta onwe ya: Nke a na-akọwa na onye odee ọbụla nwere ụzọ ndị o si ewebata, ahazi maọbụ edekọ mkpụrụokwu ya mgbe ọ na-ede ihe. Nke a ka akpọrọ olu onye (Idiolect). O na-ekwu na ndị odee dị iche iche nwere akanka nke ha bụ nke ha a na-akpọ akanka odee dịka: akanka Achebe, akanka Soyinka ma ọ bụ akanka Shakespear, akanka Nwadike, dgz. Nke a metụtara etu onye odee si e ji asụsụ arụ ọrụ n' ikwu okwu ma ọ bụ n'ide edemede n' oge niile maọbụ n' oge ụfọdụ. Ọ bụ nke a ka Okebalama (2008) kpọrọ akanka keodeee (Art of the man). A bịa n' akanka dị ka iwete mgbanwe, anyị na-ahụta ụfọdụ mgbanwe

nke gbakwasiri ụkwụ n’etu onye odee ma ọ bụ akparamagwa odee si emetụta nhọ okwu ya. Onye ọbụla na-ede dị ka ihe ọ na-ahụ si dị. Asụsụ dị n’ụdị n’ụdị site n’ụdị ọru e ji ya arụ. Asụsụ e ji ede akwụkwọ mgbasa ozi di iche n’asụsụ ndị nkanuụzụ. Asụsụ ndị ome iwu nakwa asụsụ eji akparịta ụka n’obodo nwere ike inwe mgbnwe site n’etu e si kewasịa obodo dị iche iche nakwa na mmekọrịta ọlundị. Akanka nwere ike gbanwee site n’obodo rue n’obodo na sitekwa n’oge rue n’oge. N’ikpeazụ, akanka dị ka ndacha ma ọ bụ ndahie, na-akọwa na e nwere ụfọdụ akparamagwa nke na-adighị agbanwe nke a kpọrọ usoro ahịrịokwu dị mma. Ma mgbe odee bịara na-agbanwe n’ihe ndị ahụ na-ekwesichaghị ka ọ gbanwee n’edemede ya ma webata usoro ndị ahụ iwu na- achị ya bụ asụsụ akwadoghị nke a ka a na-akpọ ndacha. Okebalama (2016), kọwara ndacha dị ka mgbe odee mafere aka n’ihe asụsụ nwere ma ọ bụ ihe asụsụ nabatara ma dee agụmagụ ya n’ụzọ pụtụrụ iche, ma n’agbanyeghị nke a, ndị ọgụụ ga-aghọtakwa ihe agụmagụ ahụ na-akọ maka ya. E nwere ndacha mkpụrụasụsụ, ndacha mkpụrụokwu, ndacha ahịrịokwu na ndacha keesiede. Nkọwa ndị a niile yitere ihe nwa amadị De Saussure (1916) kọwapụtara n’ime akwụkwọ ya nke ọ kpọrọ Course In General linguistics, mgbe ọ na-akọwa ihe bụ ‘langue na parole’. Ọ kọwara ‘langue’ dị ka ụzọ ma ọ bụ ụkpụrụ a họpụtara ka ndị nwe asụsụ na ka onye na-ekwu okwu n’asụsụ ahụ gbasoo mgbe ọ na-ekwu okwu. Ebe nkọwa ‘Parole’ n’akụkụ nke ya bụ ụzọ dịwagara iche otu onye nwere ike ịhọrọ iji rụọ ọrụ ekemekeuche bụ nke agbasoghị ụzọ iwu kwadoro. Nke a yitekwara ihe Chomsky (1957) kwuru n’akwụkwọ ya nke ọ kpọrọ Syntatic Structure mgbe ọ na-akọwa na mma mmụta (competence) na mma ọsụsụ (performance). Ụdị amamihe onye na-ekwu okwu nwere n’iwu na-achị asụsụ ahụ nakwa ụdị akparamagwa ọ na-akpa mgbe ọbụla maọbụ n’oge ụfọdụ. Na nkọwa niile a anyị na-enye kemgbe, anyị nwere ike ịhụta na onye odee ma ọ bụ onye na-eji asụsụ arụ ọrụ ka a tụrụ anya na ọ ga-ewebatarịrị akanka ụfọdụ nke ga-eme ka o wepụta echiche ya site n’asụsụ o ji rụọ ọrụ ma mee ka ihe ọ na-ede pụọ iche n’ihe onye ọzọ mere.

**Nnyocha akanka**

Nnyocha akanka bụ ihe ọmụmụ n’ asụsụ mba ụwa nke na-eleba anya n’ atụmatụ odee, odee n’ onwe ya na ihe dum gbara ya gburugburu tinyere ederede ya. Nwadike (1992), kọwara nnyocha akanka dịka, nka nke e ji e were anya okenye ji ele ihe dị n’akpa ogologo bịa leba anya n’ agụmagụ e dere ede iji chọpụta nke ọma ebe na etu ya bụ agụmagụ nọrọ kwesi ekwesi ma ọ bụ ebe ọ nọ rie mperi. Ọ gara n’ihu kwuo na ihe ndị a na-eleba anya bụ ihe edemede na-ekwu maka ya, nhazi akụkọ, etu o siri gbasa onye dere ya na onye e dere maka ya. Ikwu maka inyocha agụmagụ bụ ikwu maka ngalaba atọ ndị ahụ e nwere n’ agụmagụ (bụ abụ, ejije na iduuazị/akụkọ). Anozie (2007) kọwapụtara ụzọ ihe asaa bụ ndị maọbụ onye ọbụla na-enyocha agụmagụ tosiri igbaso. Isiokwu ndị a dịka ọ kọwapụtara gunyere: Nkenudị agụmagụ, Nhazi (usoro nhazi agụmagụ ahụ), Odee agụmagụ, isiokwu, Asụsụ (nka asụsụ), Nkọwa na Nhọrọokwu. Okafor (2008) n’akụkụ nke ya kọwapụtara ụzọ asatọ e kwesiri isi mee nnyocha. Ụzọ asatọ ndị a gụnyere: Iwepụta oge gụọ agụmagụ e nyere gị, Isiokwu, Ntọala, Nhazi, Agwa na akparamagwa, Ụdịdị Asụsụ, Nchịkọta na mkpebi. Cohen (1973) kọwara na nnyocha agụmagụ pụtara mmadụ iji nwayọọ lebanye anya n’akwụkwọ agụmagụ e dere ede iji wee chọpụta usoro odee gbasoro wee dee agụmagụ ya nakwa ebe o riri mperi. Nnyocha akwụkwọ agụmagụ gbasatara iji anya okenye ji ahụ ihe dị n’akpa ogologo lebanye anya nke ọma n’ime nnyocha ya, wee wepụta isiokwu, ntọala, asụsụ, nhazi, agwa na akparmagwa, olu na ndejọ pụtagasịsị ihe n’akwụkwọ ọ na enyocha. Isi a hụrụ kwaba okpu n’ihe ọmụmụ a bụ nnyocha nkaasụsụ dị ka ọ dị n’akwụkwọ iduuaị Oja Dufuo Dike.

## ATỤTỤ DỊ ICHE ICHE GBASARA ISIOKWU

Daiches (1939) mere ka anyị ghọta na a ka na-agba mbọ inweta atụtụ ka mma, a pụrụ iji nyocha agụmagụ. Ọ bụ sitezie n'ịgba mbọ ndị ọkammụta n'inye nkọwa n'ụzọ e nwere ike isi nyochaa agụmagụ ka e si nwetazie atụtụ ndị na-esote:

- Atụtụ nnyocha gbadoro ụkwụ n'ọdịdị (Formalist approach)
- Atụtụ nnyocha na-ahụ maka ọkpụ (Anthropological approach)
- Atụtụ nnyocha gbadoro ụkwụ na lingwistiik (Stylistic approach)
- Atụtụ nnyocha gbadoro ụkwụ na nkamma (Aesthetic approach)

## ATỤTỤ NNYOCHA GBADORO ỤKWỤ N'ỌDỊDỊ (FORMALIST APPROACH)

Nwadike n'ime akwụkwọ nkuzi ya ọ kpọrọ 'Mimiography' kọwara na nnyocha gbadoro ụkwụ n' ọdịdị bụ ụdị nnyocha ọhụrụ nke sitere n'aka ndị bi na mgbago ugwu Amerịka (North America). N'atụtụ a, ihe onye nnyocha na-eme bụ ilenye agụmagụ anya kpọm kwem, n'abịaghị kọwa maka e mereme, edendụ odee ma ọ bụ kọba ka agụmagụ siri metụta odee. Ọ bụghị maka ịchọpụta ngalaba agụmagụ nọ na ya, ya na ka agụmagụ siri metụta ọha obodo na gburugburu ya. Otu ihe dị mkpa n'amụmamụ a bụ ihe gbasara ihe ndị mejupụtara agụmagụ na ozi ọ na ezi. Ihe nnyocha dị n'ụdị nnyocha a, ihe gbasara ndụ odee adịghị mkpa ma na o nwere ike kpọtụ ihe ndị ahụ aha, elu elu. Daiches (1939) kwuru na ụdị nnyocha a bara ezigbo uru maka na ọ na-ejikọta nka dị n'arọrọ arọ ya na ịgbalisi ike ịchọpụta ajụjụ niile gbasara ọdịdị, akanka, nakwa isiokwu site na ntọala mmekọrịta. Ihe nnyocha na-agbaso atụtụ a na-ahụ maka ya bụ: Ọdịnaya na Ọdịdị. N'ọdịnaya, ihe a na-egosipụta bụ ebumnobi odee (isiokwu) na ka o si gosipụta ya na ihe ndị o ji zipụta ya nakwa nzube ya (ndinisiokwu). Ọdịdị n'aka nke ọzọ, bụ nke na-elebanye anya na ndokọ akọmakọ, agwa na asụsụ. Ndokọ akụkọ gunyere: nhazi akụkọ, nka akọmakọ, na kaesirihu. Agwa n'aka nke ya bụ maka ndị odee ji rụọ ọrụ n'edemede ya. Asụsụ n'onwe nke ya bụ ihe odee ji egosipụta nkamma n'iduuazị (Ụzọchukwu, 2012). Ọ metụtakwara ka odeee si e were usoro ụtọasụsụ, usoro nsiekwu na usoro nsiede egosipụta mbụnuche ya gbasara ọdịnaya, ndokọ akọmakọ na agwa.

## ATỤTỤ NA-AHỤ MAKA IHE ỌKPỤ (ANTHROPOLOGICAL APPROACH)

Nwadike (2015), mere ka anyị ghọta na nnyocha gbadoro ụkwụ n'usoro ọkpụ na-achọpụta ụfọdụ ihe ndị ahụ zuru ọha ọnụ bụ nke na-apụtakarị n'echiche mmadụ ma bụrụkwanụ nke ha kwenyere na a na-ezipụta ya n'ọrụ nka iji ya kụzie otu ihe maọbụ nke ọzọ. Rohrberger (1968) kwuru na ụfọdụ ihe ndị ahụ zụrụ ọha ọnụ na-apụtakarị n'echiche mmadụ bụ ihe ndị ahụ dibu adị n'akụkọ nkọmirikọ nakwa n'ifo nke bụ ihe mbụ echiche mmadụ na-eche na ha bụ ihe nwechara nghọta nye mmadụ.

N'aka nke ọzọ Ụzọchukwu (2012) siri na ihe e ji akpọ nke a usoro gbara afọ tọọ nwa; bụ e kwuo maka nnyocha agụmagụ, anya agaa anyị n'usoro a n'ihi na ọ bụ usoro e jirila nyocha agụmagụ n'ogologo mgbe gara aga were ruo taa. Usoro ọkpụ a na-adị na ngalaba abụọ: ha bụ nnyocha gbadoro ụkwụ n'agụgụala na akụkọ ndụ; na nyocha gbadoro ụkwụ n' ezi agwa na n'ịtụle ihe omimi gbasara ndụ. A bịa na nyocha gbadoro ụkwụ n'agụgụala na akụkọ ndụ, a na-elebanye anya etu ndụ odee maọbụ ka agwa ndị dị n'agụmagụ siri metụta ka ọnọdụ dị, mgbe e dere agụmagụ ahụ. A na- elebakwa anya etu mmemme dị n'agụmagụ siri metụta ka ọnọdụ dị mgbe e dere ya bụ agụmagụ, ụdị ndụ a na-ebi ma ọ bụ etu ihe siri kwụrụ nke a ga-esi n' agụmagụ

amata. O nwere ike bụrụ ihe metụtara mmekọ ndị mmadụ na ibe ha, ndọrọndọrọ ọchịchị, ekpemekpe, akụnụba, dgz. Abịa na nnyocha gbadoro ụkwụ n’ezi agwa na ihe omimi gbasara ndụ, a na-eleba anya etu agụmagụ si egosipụta ihe ndị na-eme na ndụ. Nke a bụrụ mbunuche n’inyocha agụmagụ, agaghị ekweta na ya bụ agụmagụ dị elu karịa na e si na ya mụta ezi agwa na ihe omimi gbasara ndụ mmadụ.

Ụzọchukwu (2012:70) gụpụtara uru dị n’iji usoro ọkpụ nyocha agụmagụ ma si na ọ na-eme ka a mata ka agụmagụ siri metụta ndụ ndị mmadụ n’ihi na e mee elu mee ala, agụmagụ ọbụla kwesiri ịkpọ oke agụmagụ agaghị adakoro n’elu, ya bụ, ọ ga-enweriri ka o si metụta ndụ mmadụ. Nke ọzọ bụ na ọ na-eleba anya n’ agụmagụ ma ọ bụ etu ihe siri kwụrụ mgbe e dere agụmagụ na-enye aka ka ịghọtami agụmagụ ahụ dị mfe.

**ATỤTỤ NYOCHA GBADORO ỤKWỤ NA LINGWISTIIK (STYLISTIC APPROACH)**

Nke a bụ usoro nnyocha akanka nke gbadoro ụkwụ na ngalaba lingwistiik. O zuru oke iji nnyocha akanka agụmagụ. Ihe nke a na-akọwa bụ na iji usoro a mee nnyocha akanka na-ahụ maka kanka asụsụ odee, etu o si hazie okwu ya, ụdị mkpụrụokwu ndị o webatara n’ime agụmagụ ya, ụdị ahịrịokwu ndị o webatara n’ime ọrụ ya, ihe ndị dabara n’usoro a nabatara n’ide Igbo na ihe ndị dachara na ya. Nwadike (2015) kwuru na ihe atụtụ a na-enyocha n’ọrụ agụmagụ bụ ihe gbasara usoro odee gbasoro wee dee agụmagụ ya. Ya bu, etu o siri kwuo ihe ọbụla o kwuru, ụdị usoro ọ gbasoro iji wee kwuo ya na-abụghị ihe ahụ o kwuru kpọm kwem ma ọ bụ ihe ahụ o kwuru na-akọ maka ya. Ngara (1985) gbakwụnyere na nnyocha akanka nke gbadoro ụkwụ n’atụtụ ndị lingwistiik na-elebakwa anya n’ịma ma agụmagụ ahụ e dere ya n’ụzọ ọ ga-ekwe ngụpụta. Ya bụ, ka e siri nwee ndaba na ka odee si họrọ asụsụ nakwa ka ihe odee na-akọ si nwee nghọta. Crystal (1981) kọwapụtara na lingwistik bụ ngalaba ọmụmụ na-amụ asụsụ n’ụzọ sayensi na staịlistik dị ka mpaghara na-amụ ndịiche n’asụsụ. N’ otu aka ahụ, Leech (1981) na-ekwu na etu ndị lingwistiik si ahụta agụmagụ na-eme ka agụmagụ nwee nghọta ọhụrụ. Ọ gakwara n’ihu kwuo na nnyocha gbadoro ụkwụ n’usoro lingwistiik na-eme ka a mara ebe odee edetaghị na n’ụdị ọ ga-abụ na mgbe ọ hụtara ndehie ndị ahụ, o nwee ike dezigharịa ha n’ụzọ ọ ga-abụ ịgba. Na nchịkọta, nnyocha gbadoro ụkwụ na lingwistiik na-elebanya n’asụsụ, ka odee si eji asụsụ egosipụta ebumnobi ya nakwa akọwami ihe ndị ọ chọrọ ka ndị ọgụụ mụta mgbe ha gụrụ ederede ya.

**NTỤLEGHARỊ AGỤMAGỤ NDỊ ỌZỌ TỤLEGORO NKE GBASARA ISIOKWU A**

Ikeokwu na Onyejekwu (2004) yọchara akanka dị na Obidiya. Ha chọpụtara na ekwumekwu okwu Nnadị dum dị n’ọgbara ebe ekwumekwu ndị ahụ kọwapụtara ma gosipụta n’uju echiche ejije Obidiya. Ihe ọzọ ha chọpụtara bụ na kwunkwukwa jupụtara n’ejije Obidiya. Myiri dị na nchọcha Ikeokwu na Onyejekwu na ọrụ nnyocha nke a eji n’aka bụ na ha abụọ mere nchọcha akanka. Ebe ndịiche ha bụ na usoro ha gbasoro. Ikeokwu na Onyejekwu gbasoro usoro nkamma, ebe nke a gbasoro usoro atụtụ lingwistiik (Stylistic approach).

Okeke (2009) mere nchọcha ya n’akanka Asogwa na Nzeakọ. Ọ ji Ezinwanne Di Ụkọ a jụọ Chi gosipụta isiokwu ya. O lebara anya na usoro akụkọ, keesirihụ, ọdịmara, olu odee, ọdịdị mkpụrụokwu, ọdịdị nghọtaokwu, myiri na ndịiche dị n’akanka ndị odee ndị a. O ji atụtụ gbadoro ụkwụ na nkamma mee ya. Ọ chọpụtara na ha ji akanka wee wepụta otu isiokwu nke pụtara ihe n’usoro akụkọ ha. Ọ chọpụtkwara ọzọ na ha zipụtara echiche ha n’udiri aha ha bara agwa dị n’ime iduuazị ha.

Nwaogwu (1995) mere nchọcha ya na ndịna na akanka Tony Ụbesie (content and style of Ụbesie). O ji iduuazị ya bụ Jụọ Obinna mee nke a. Ihe o lenyere anya na ya bụ ntọala, agwa na akparamagwa, nhọokwu ọdịmara, na atụmatụ okwu ya. O ji atụtụ ọdịdị agụmagụ mee nchọcha ya. Ọ chọpụtara na oge ụfọdụ na Ụbesie na-eji keesirihụ ọkọ nke kwụ ọtọ arụ ọrụ. Ọ chọpụtara n'asụsụ nke ka pụta ihe n' akwụkwọ Ụbesie bụ ilụ. Ọ siri na Ụbesie na-ewebata ilu iji mee ka ọ dabaa na mbunuche ya. Nwaọgwụ hụtara na nyiri ya na-apụta ihe ebe ọ dị ukwu na akwụkwọ agụmagụ Ụbesie bụ na ọ na-adị mfe ịghọta. Myiri dị na nchọcha Nwaọgwụ na nke a, bụ na ha abụọ na-enyocha akanka iduuazị. Ebe ndịiche dị na nchọcha Nwaọgwụ na nke a bụ na o lebanyere anya na naanị ndịna na akanka, mana nchọcha nke a na-elebanye anya n' inyocha nka asụsụ, Isiokwu, Ntọala, Nhazi, Agwa na akparamagwa na Ụdịdị. Ndịiche ọzọ pụtara ihe bụ na Nwaọgwụ ji usoro nkamma wee yọchaa iduuazị Jụọ Obinna, mana nnyocha nke a ji usoro atụtụ nyocha gbadoro ụkwụ na lingwistiik (Stylistic approach) elenye agụmagụ a anya ma site na ya wee nyochaa nka asụsụ iduuazị Oja Dufuo Dike.

**NGUZO NA NTỤCHA ỌRỤ NCHỌCHA**

Nkenke nkọwa banyere akwụkwọ a bụ Ọja Dufuo Dike

Onye dere akwụkwọ iduuazị Ọja Dufuo Dike bụ Ray C. Anene. Akwụkwọ akụkọ a nwere ihu akwụkwọ otu narị, iri na iteghete. Ọ bụ ndị ụlọ mbipụta akwụkwọ Elites' commercial Agency Limited, Onisha bipụtara ya n'afọ 1991. Akwụkwọ iduuazị a nwere ndịnisiokwu nke na-ezipụta aha e nyere isiokwu nke isi ọbụla. Ya bụ, isi nke ọbụla nwere aha maọbụ isiokwu e nyere ya. Ọzọkwa, bụ na e dere ihe n'azụ akwụkwọ a, bụ nke na-enye obere nkọwa gbasara ihe mere n'ime akwụkwọ a, ma nyekwazị obere ihe gbasara ndụ odee. A ga-elebanye anya n'isiokwu mejupụtara akụkọ dị n'akwụkwọ agụmagụ a bụ nke odee jiri ilu wee zipụta. Oke soro ngwere maa mmiri, ọkọọ ngwere, ọ gaghị akọ oke. Ilu a pụtara na mgbe mmadụ so onye ọzọ eme ihe n'echighị ya eche, onye ahụ nwere ike ịdabanye na nsogbu, ebe onye rafuru ya ga-alafere. Isiokwu a na-akọ maka otu nwoke aha ya bụ Nwoye, nke aha otutu ya bụ Ikpeamaego. Nwoke a dị ka aha ya siri dị, kwenyere na onye nwere ego, ikpe anaghị ama onye ahụ. Ya mere, mgbe ọ lọtara obodo ya bụ Ukobo, okwu ya anaghị ekwe okwukwu. O ji ego o nwere akpa nganga. Mgbe e mere Kasie nwa nwanne ya nwoke onyeisi oche, Okoye Ọmicha na Okwuanyịọnụ foro ntutu taa na Kasie agaghị abụrụ ha onyeisi oche. Ọ bụ nke a mere ha jiri kpaa nkata wee boo Kasie ebubo asị megide Ikpeamaego. Ikpeamaego n'aka nke ya ajụghị ma ihe ọ nụrụ ọ bụ eziokwu wee malite imegide nwanne ya. Ọ bụ n'ihi nke mere Okwuanyịọnụ na Ọmicha jiri kwanye Ikpeamaego ka ọ ṅụọ iyi asị na ọ bụ ya nwee ụgbọala Kasie zụrụ oge o bidoro ọrụ ọhụrụ na ha kwu ya n'azụ. O kwenyere were ṅụọ iyi ahụ bụ nke tara isi ya. Mgbe nke a mere, Okwuanyịọnụ ha gbapụrụ n'obodo ha, mana oge ihe juru oyi, ha lọghachiri azụ, rịọ mgbaghara, ndị obodo wee mgbaghara ma nabatakwa ha ọzọ. Ọ wee bụrụ na Ikpeamaego esorola ngwere maa mmiri, o wee kọọ ha bụ ngwere ma ghara ịkọ Ikpeamaego. Isiokwu a pụtakwara ihe n'ebe Ọbịageli nwunye Kasie nọ. Ọbịageli mụtara otu nwa ghara ya sobe Ngọọ. Ọbịị bụ aha otutu ya, soro Ngọọ gbaba n'ezi. Ndụmọdụ niile e nyere Ọbịị gbasara enyi ya Ngọọ dị ka mmiri awụrụ n'okwute. Kasie mechara chụọ Ọbịị, ndị be ya jụkwazie ye ebe Ngọọ bụ onye rafuru ya mere o jiri soro ngwere maa mmiri, ka nọ na be di ya aza oriakụ. N'ikpeazụ, ụmụ Ngọọ mechara lebe nne ha nka, ebe Ọbịị enweghị di nke o na-enwe nwa. Mgbe ọ chọpụtara na ekele agafeela nku aka bụ mgbe ndị enyi ya nwoke bidoro gbawara ya ọsọ. Ngọzi na onwe ya jụrụ Ọbịị ajụjụ si maọbụ ya dịzị nka nka etu a? Okwu a metutara Ọbịị na mmụọ, o wee daa mmiri bụrụ onye nwụrụ anwụ, ebe Ngọọ ka nọ ndụ na-ekpori ụwa.

**NTỌALA AKỤKỌ**

Odee tọrọ ntọala akụkọ ya n'ala Igbo, n'obodo Ụmụeze dị n'Ukobo. Ihe mere m jiri si na ọ bụ n'ala Igbo ka a tọrọ ntọala akụkọ a bụ maka na aha dịgasị n'ime akwụkwọ a bụgbado aha eji mara ndị Igbo; ọzọ di ka ibe ya bụ na omenala dị iche iche emere na ya, bụgbado omenala ndị Igbo. Omenala ndị a gụnyere: Ịgba afa, Ịgba mgba, Ịgọ ọji, Ịñụ iyi, na ndị ọzọga. Akụkọ dị n'ime akụkọ a bụ ihe na-eme oge gboo nakwa ihe a na-ahụgasị n' oge ugbu a. N'oge gboo nakwa n'oge ugbu a, ọtụtụ ndị mmadụ bụ ndị ji ịnọ nkịtị wee mere aka ọrụ. Ha anaghị achọ ihe ga-enye ha nsogbu dị ka o siri metụta Ụwadinfe. N'oge ugbu a, tụmadị etu odee si zipụta n' akwụkwọ ọgụgụ a, ụfọdụ ndị nwere akụnụba anaghị ekwe ndị ogbenye kwuo okwu. Ha na-eji ego ha akpa nganga, nakwa akpagbu ụmụ ogbenye dị ka o siri metụta Kasie na Ikpeamaego. N'otu aka ahụ kwa, ndị ajọ mkpụrụobi anaghị eji anya ahụ ndị na-ekwu eziokwu. Ha na- agba mbọ hụ na ha meminara ha, nke a metụtara omume/agwa Ọmicha na Okwuanyịọnụ n'ebe Kasie nọ. N'oge ugbuakwazị, ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-eji ahụ ha achụ ego. Nke a pụtara ihe n'agwa Ọbịageli na Ngọzi. Ụfọdụ ndị mmadụ na-eme ihe na echeghị ihe ha na-eme eche. Ihe ọzọ pụtakwara ihe bụ na ha na-eji asịrị ha na-anụ na arụ ọrụ n'ebughi ụzọ jụọ ajụjụ maka ịchọpụta nke bụ eziokwu dị ka o siri metụta Ikpeamaego mgbe a kụrụ ya asịrị gbasara nwa nwanne ya bụ Kasie.

**NHAZI**

Odee haziri akụkọ ya n'isi n'isi. O nyekwaziri isi nke ọbụla isiokwu. Isi ole n'akwụkwọ iduuazị a nwere dị iri na otu. Ọ gbasokwara usoro dị mma e ji edee akụkọ n'ihi na otu ihe mee ọ gaa kpalite nke ọzọ.

**AGWA**

Anene ji agwa mmadụ kọọ akụkọ a. A kpọkwaziri ọtụtụ mmadụ aha n'akụkọ a, mana o nwere agwa kacha pụta ihe karịa ibe. Ọ bụ ụfọdụ agwa ndị a kacha pụta ihe ka a ga-akọwaa dị ka ndị a na-esote:

**NWOYE**

Nwoye bụ nwanne Ụwadinfe. Aha otutu ya bụ Ikpeamaego n'ihi na o chere na onye ji ego nwezuru niile. Ikpeamaego bụ onye nganga. O ji ego o nwere anya isi. Ọ bụ n'ihi nganga ya mere na ọ naghị ekwe esonye n'ihe ndị obodo na-eme. Mgbe ndị obodo dara ya nha, ọ jụrụ na ọ gaghị aha nha ahụ, na-ekwu na ọ nweghị ihe ha na-emere ya. Ikpeamaego chiri eze onye agwalam. A bịa n'Ụmụahịa, nakwa Ukobo, okwu ya anaghị ekwe okwukwu. Oge ndị obodo machibidoro mmekọ ya na ha, o chughi ya ụra n'agbanyeghị ndụmọdụ niile Kasie na-enye ya. Ọ naghịkwa eji okwu mmadụ akpọrọ ihe. Ikpeamaego enweghị obi ọmiiko n'ebe mmadụ ibe ya nọ. Ọ bụ ya mere o ji atụ ndị e nweghị ihe ha mere ya nga. Ọ bụkwazi onye na-ege asịrị ma na-ewere ihe ọbụla ọ nụrụ eme ihe. Ọ naghị eche ihe eche tupu ọ mebe. Nke a mere o jiri kwere ṅụọ iyi asị na ọ bụ ya nwe ụgbọala Kasie. Ọ bụ nke a butere ya ọnwụ erughị eru maka na ọ jụghị ajụ were rie. N'agbanyeghi ajọ omume ya, Nwoye bụ onye na-agba mbọ nke ukwu. O bidoro na nwata gbaba mbọ. Ọ bụ n'ihi ya ka otu nwoke jiri kpọrọ ya gaba Ụmụahịa ka ọ zụwara ya ahịa. Ọ bụkwazi n'ihi agba m mbọ ya mere o jiri baa nnukwu ọgaranya.Ọbịageli Ọbịageli bụ ọ nọ na di achọ di ma bụrụkwa o soro ego daa olulu. Ọ bụ n'ihi ego mere o jiri soro Ngọzi gbaba n'ezi nke mere Kasie jiri chụpụ ya n'ụlọ ya. Ọ bụkwa ya mere o jiri hapụ nwa ya nwaanyị bụ Nnaemeka soro ụmụ nwoke jewara. Ọ bụkwazị ya mere o jiri zụte ọnwụ ya n'oge erughị eru. Ọ bụkwazị onye anaghị anụ ndụmọdụ. mgbe Ọbịị bidoro ịgba n'ezi, ndụmọdụ niile Kasie di ya, nna ya na ndị ikwu na ibe ya niile na-enye ya dị ka mmiri awụsara n'okwute. Nke e nyekwazịrị ya mgbe ọ

na-eme Ngọzi enyi ya, ka o wepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọrọ aka mmadụ lara n'iyi. Ọbịị bụ onye aghụghọ. Nke a pụtara ihe n'oge di mbụ kaara ịlụ ya gbara ọsọ n'ihi akparamagwa ya. O bidoro na-arụ ọrụ e sighị ya n'obi. Ọbịara zochie omume ọjọọ ya niile mgbe ọ hụrụ na ndị ọgbọ ya niile agachaala di. Ọ bụ etu o si asụ ahịhịa mere Nwanyịnkwọ jiri lụtara ya Kasie nwa ya. Ọbịageli nwere ajọ obi. Ọ bụ n'ihi ụdị obi ọjọọ a o nwere mere o ji kaa obi hapụ nwa o ku n'aka soro Ngọzi gbaba n'ezi. Ọ bụkwazị ụdị ajọọ obi a mere o jiri kụọ nwa ya ihe tinka kụrụ paanụ oge Nnaemeka nwa ya bịara ebe o bi.

**OKWUANYỊỌNỤ**

Okwuanyịọnụ bụ nwoke apụghị dimkpa ma dimkpa akaghị ya. Ọ bụ nwoke e ji ịkụ asịrị mara. Ọ bụ okokporo. Okwuanyịọnụ bụ ụtụ gbatara eleke ntị ọba wee rie ọgụ mkpụrụakụ. Ọ bụ ya butere ọnwụ Ikpeamaego site n'ikwanye ya ka ọ ṅụọ iyi asị. Ọ bụkwa onye ume ngwụ, onye ngana. Okwu ya anaghị ekwe okwukwu n'ụmụeze na n'Ukobo gbaa gburugburu. O nweghị ọrụ ọbụla ọ na-arụ; naanị aghụghọ na ịkụ asịrị akpagharị n'ogbe ka o jiri mere aka ọrụ. O nwekwaziri obi ọjọọ ma bụrụkwa onye okwu na ụka. Ọ bụ obi ọjọọ ya mere ya na Ọmicha jiri tikọta isi Ikpeamaego na Kasie ma boo Kasie, ebubo asị. Ọ tachịkwara obi wee manye Ikpeamaego ka ọ ṅụọ iyi asị. Okwuanyịọnụ bụ onye aghụghọ. Ọ bụ ka o si dị aghụghọ mere o jiri ghọrịa Nwamgbo ka ọ ghara iha nha a dara ya. Ọ ghọrịkwara Ikpeamaego ka ṅụọ iyi asị na o nweghị ihe iyi ahụ ga- eme ya ma bụrụ etu o siri dụlaa dike ala mmụọ.

**KASIE**

Kasie bụ nwa Ụwadịnfe ma bụrụ di Ọbịageli na nna Nnaemeka. Kasie bụ nwata na-agba mbọ. Ọ bụ n'ihi agba m mbọ na ike ọrụ ya mere o jiri nwee ike ịkwụghachicha ndị mmadụ ụgwọ nna ya jitere wee nwụọ. Ọ bụkwazi n'ihi mbọ ọ na-agba mere Ikpeamaego jiri kwere iduga ya na nke enyi ya nwoke ka ọ mụba ọrụ mekaniiki n'aka ya. Kasie bụ onye na-ekwu eziokwu. Ọ bụ n'ihi eziokwu ya mere ndị ụmụnna ya jiri wee mee ya onye isi oche ha. Ọ bụkwa n'ihi oke eziokwu ọ na-ekwu butere adịghị na mma ya na Okoye Ọmicha na Okwuanyịọnụ nke na ha bidoro chọba ụzọ ha ga-esi chutuo ya n'ọkwa ahụ o ji. Kasie bụ onye ndidi. Ọ mara na ejighi ike eso ụwa. Ọ bụ maka na ọ mara edi ihe mere o jiri nwee ike idi omume ọjọọ niile Ọbịị na-emeso ya. Ọ bụkwa ndidi ya mere na o binwuru n'ụlọ Chikwado mgbe Ọriakụ ya na ụmụ odibo ya na-enye ya mkparịị di iche iche. Kasie Ụwadịnfe bụ onye na-eji ndụmọdụ mmadụ akpọrọ ihe. Mgbe ọbụla ọ chọrọ ime ihe, ọ na-ebu ụzọ jụọ ndị ka ya tupu o mebe ihe ahụ. Ọzọ bụ na mgbe okwu dara ya na Ikpeamaego, ọ bụ ndị okenye ka ọ jụtara ihe ọ ga-eme, ha nyere ya ndụmọdụ nke ọ nabatara n' obi ọcha. Okoye Ọmicha Okoye Ọmicha bụ igbu ọja na ịkụ ekwe ka e ji mara ya n'obodo Ukobo n'obodo ndị ọzọ gbara ha gburugburu. Ọmicha bụ mbe. Ọ bụ nwoke eji aghụghọ mara. Ihe ọ na-eme bụ ọ janyere onye ihu, ọ janyere onye azụ. Ihe ọ nọ bụ itikọta isi mmadụ abụọ. Ọmicha bụ onye ume ngwụ. Ọ bụ nwoke ike ọrụ na-adịghị. Ọ bụ etu o si amịchapụ n' ọrụ mere eji akpọ ya Ọmicha. Ọrụ anaghị ekwe ya arụ, ya mere o jiri were asịrị mere aka ọrụ. Ọ bụkwazị onye nrafu. Ọ bụ ya na Okwuanyịọnụ rafuru Ikpeamaego, ọ gaa ṅụọ iyi asị bụ nke tara isi ya. Ha mekwara Ikpeamaego kwenye na Kasie kparịrị ya.

**NGỌZI**

Ngọzi bụ enyi nwaanyị Ọbịageli. Onye nyụrụ ihe ahụ na-esi n' ụlọ Kasie site n'idughie nwunye ya ụzọ. Ọ bụ ya rafuru Ọbịageli ma kụzichara ya ọtụtụ agwa ọjọọ dị iche iche di ka ịgba n'ezi maọbụ ịgbaso ụmụ nwoke maka ihi ego. Ngọzi bụ nwaanyị ajadụ mụchara ụmụ. Ọ bụ ego ọ gbatara n'akwụna ka o ji azụ ụmụ ya. Ya bụ nwaanyị na-akpọtụ akpọtụ. Ọ bụ maka ụdị ego

Ngọzi nwere mere Ọbịageli jiri sowe ya. Ngọzi bụkwazị onye nwere akọnụche. Ọ bụ ezie na ọ na-agba n'ezi, mana nke ahụ egbochighị ya ịlọkọta ụmụ ya nke ọma. Mgbe ụmụ ya bidoro kpataba ego, ọ kpakọtara ụkwụ ya wee kwụsi ịgba n'ezi.

**NWAANYỊNKWỌ**

Nwaanyịnkwọ bụ nwunye Ụwadinfe ma bụrụkwa nne Kasie. Ọ bụ nwaanyị nwere obi umeala. Ọ bụ nke a mere o jiri nagide ọnọdụ ọjọọ niile ọ gabigara n'ụlọ Ụwadinfe. Ọ bụkwa nwaanyị dị ike ọrụ. Nwaanyịnkwọ na-agba mbọ nke ukwuu. Mgbe Ụwadinfe di ya nwụrụ, ọ bụ ya na nwa ya Kasie jikọrọ aka ọnụ wee kwụọ ụgwọ niile o jikọtara.

**ỤWADINFE**

Ụwadinfe bụ nwanne Nwoye ma bụrụkwa dị Nwaanyịnkwọ. Ọ bụkwa ya bụ nna Kasie. Ụwadinfe bụ onye ngana, o nweghi aka ọrụ mana onye nwere aka ọrụ akaghị ya emefu ego. Echiche niile dị n'obodo ha bụ Ukobo bụ nke na-agụ ya ichizu mana ọ nweghị kobo nke aka ya. Ọ bụ ibiri ndị mmadọ ego ka o ji mere aka ọrụ.

**UJUNWA**

Ujunwa bụ nwunye nke abụọ Kasie lụrụ. Ọ bụ onye ndidi. N'agbanyeghị mkparị niile Chinyere nwunye Ikpeamaego na-enye ya oge e mere di ya onye isi oche, o jidere obi ya aka wee na-edi mkparị ndị ahụ niile. Ọ bụ nwaanyị nwere ezigbo uche, o ji ezigbo uche eso ọnọdụ ọbụla n'ezinụlọ ọ nọ n'ime ya.

**CHINYERE**

Chinyere bụ nwunye Ikpeamaego. Ọ bụ nwaanyị nwere ajọọ obi. Ọ bụ nke a mere o ji eti ụmụ Kasie na-enweghị ihe ọbụla ha mere ya. O nwere ajọ ọnụ ma na-akparịkwa ndị mmadụ. Okwu ya bụ nwaanyị anaghị ekwe okwukwu. Ọ bụ nwaanyị ji akụ di anya isi. O kworo ego di ya ji wee na-eleda ndị mmadụ anya.

**NKA ASỤSỤ**

Ọja Dufuo Dike, dike abaa ala, ọja abaa akpa, ahịrịokwu a bụ ilu nke pụtara na onye ọbụla dị ndụ ekwesighị ị were maka ihe onye ọzọ mere jee ime etu ahụ onye ahụ mere, n'ihi na onye ọbụla nwere akaraka Chi nyere ya o ji dị iche na nke ndị ọzọ. Ọzọ bụ na mmadụ etosighị ka akụnaụba ọ kpatara dufuo ya ụzọ, maka na o dufuo ya ụzọ, isi aghaghị iso ya laa mmụọ. Odee iduuazị a gbara nnukwu mbọ n'iji Igbo Izugbe dee akwụkwọ ya. Ọ webatakwara olundị n'akụkọ ya. Odee ewebatakebeghị okwu mbite ebe ọ dị ọtụtụ. Igbo ya gara were n'ọnụ n'ihi na ọ mara ihe ekwe na-akụ n'ihe gbasara nkaasụsụ Igbo. Naanị ebe a na-enwe obere ihe nhịaahụ bụ n'ebe o ụfọdụ o mere ndehie. O jikwazị ilu, ụkabụilu, myiri, mbụrụ, asiniilu na atụmatụokwu ndị ọzọgasị wee saa edemede ya ahụ. Onye ọbụla na-agụ akwụkwọ a na-enwe mmasị ịgụ ya maka n'asụsụ ya dabakwara n'isi ihe ọ na-akọ maka ya.

**ILU**

Ilu bụ nkenke atụmatụ okwu na-achịkọta ihe a na-ekwu maka ya ọ wee doo anya, tọọ ụtọ, gosi nkaokwu ma tapọrọ n'uche n'ihi na o nwere nnọchite anya ihe niile dị n'ime akụkọ kọrọ. Ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. E nwegasịrị ebe dị iche iche o webatagasịrị ilu n'akwụkwọ ya. Ha gụnyere:

- Ọkụkọ hapụ kwọm, gịnị ka ọ ga-eji zụọ ụmụ ya? (ihu:4). Nke a pụtara mmadụ hapụ ihe o ji adị ndụ, gịnị ka ọ ga-eji adị ndụ ya. Ilu a pụtara ihe mgbe Ọsọndụ bịara ụgwọ n'ụlọ Ụwadinfe.
- Nwata erughị eru wara ọgọdọ, ikuku e buru ya, buru ọgọdọ ọ wa. (ihu:22). Onye tụrụ ilu a bụ Nwaanyịnkwọ mgbe Kasie nwetachara onwe ya n'ọrịa dara ya mgbe ọ dụrụ Ikuku aka n'ọnụ ụbọchị a gbara ikoro. Nke a pụtara na nwata mee ihe o rughị ogo ya, ọghọ ya ahịa, wdg.

**AKPALAOKWU**

Akpalaokwu bụ atụmatụ okwu a naghị esi na nghọta mkpụrụokwu mejupụtara ya amata ihe ọ pụtara, kama nghọta ya na-adabere na nkwekọrịta ndị nwe asụsụ e ji sụọ ya. Akpalaokwu pụtagasiri ihe n'iduuazị a gụnyere:

- Onye biri ego ahụ ghara inye ya, mata n'afọ tara onye ahụ mmiri (ihu 2). Nke a pụtara mmadụ nweghi obi ebere.
- Iwe juru Ọbịị obi ka Nnaemeka nọọrọ ala (ihu 75).
- Chinyere si n'azụ ahụ ụzọ, (ihu 10). Ọ pụtara na Chinyere mara ihe nke ọma,wdg.

**ỤKABỤILU**

Ụkabụilu bụ ilu e tinyere n'ụdị nkenke akụkọ nke e ji akụzi ihe maọbụ adụ mmadụ ọdụ.

Ịmaatụ ha dị ka o siri pụtagasi ihe n'iduuazị a gụnyere:

- Mmiri riri enyi ka mbe na-awakwara ọgọdọ, mbe ọ ga-awụ mmiri ahụ awụ ka ọ ga egwu ya egwu? (ihu 72). Nke a pụtara na mmadụ mee ihe karịrị ya, ọ taa isi ya.
- Ebiogwụ ka ụmụnna ya gwara ya o puwe ogwu ka o pufọọ ebe ha ga-ejide ya aka ma ahụ rịawa ya (ihu 103). Nke a pụtara na mmadụ na-eme ihe n'ụwa a, ya chetakwa maka echi, wdg.

**ASỊNIILU**

Asịniilu bụ ụdị ilu a na-akpọ otu onye maọbụ ihe aha si na ọ bụ ihe onye ahụ maọbụ ihe ahụ kwuru. Ọ ga-enwerịrị ihe merenụ ma ọ bụkwanụ ihe a na-ekwu maka ya tupu a tụọ ụdị ilu dịotu a. Ọ naghị adapụta na nkịtị. E ji ya ama atụ ihe, ekwuputa ihe a chọghị ikwu baa, enye ndụmọdụ, akụziri mmadụ ihe na kwa ịdọ mmadụ aka na ntị.

**MYIRI**

Myiri na-akọwa na otu ihe dịka ihe ọzọ n'ọdịdị maọbụ n'akparamagwa ya.

- Nwaanyị Ụwadinfe lụrụ wụsara n'Ukobo ka ntụ ụgụrụ (ihu 12)
- Kasie na-eto ka ome ji … (ihu 13)
- Ha riri oriri ka mbe ma mee ego ka enyi (ihu: 41)
- Ọ na-amịkpọ ka okporoko ma onye jụọ ya ka o mere ọ sị na nsogbu adịghị. (ihu:53), wdg.

**MBỤRỤ**

Nke a bụ atụmatụ okwu e ji atụnyere ihe abụọ na-enweghị oyiri n'ụdị ma ọ bụ ihe ahụ a na-atụnyere ya. Atụmatụ okwu a na-ejikarị 'bụ' egosipụta myiri ya.

- Ndị o tokọọrọla ha na ibe ha isi bụ aja dị n'ala. (ihu:15)
- Ị bụrụ onye ihe ụmụagbọghọ na-adị nnọ mma ghara Ngọọ na Ọbịị kpọọ ha ọzọ, mata na gị bụ ejula kpuru isi, ji aka gị wọọ onwe gị nri. (ihu: 45), wdg.

**MMEMMADỤ**

Nke a bụ atụmatụ okwu e nwere na-enye ihe abụghị mmadụ akpramagwa mmadụ.

- Ụwadinfe anwụọla ma ụgwọ o jikọrọ ndị mmadụ na-eku ume. (ihu:25)
- Ọ hụla ahụhụ anya n'ụwa, ọ dịghịkwa ihe ọ na-akwara akwa n'ihi na ọ bụ naanị onye akwa nyere ọnụ na-ekpo ọgọdọ ekpo. (ihu 66), wdg.

**EGBEOKWU**

N'atụmatụokwu a, a na-akpụnyefe nnu oke n'ihe a na-ekwu maka ya.Ọ dị na nwata na-akọ ala ha niile. (ihu:11)

- Tupu Kasie ruo bee ha, igbe ozu adọrọla mmadụ na-arị ibe ya elu. (ihu: 66)
- Ọ jụrụ nwoke ahụ ihe ji ịbịa kpọrọ ya; na ndị na-abịara ya di bụ aja dị n'ala. (ihu:34)

**AJỤJỤ NZARAONWE**

Nke a bụ ajụjụ akpachapụrụ anya wee jụọ n'ụzọ ajụjụ ahụ ga-esi zipụta ọsịsa ya. Nke a pụtara na ya bụ ajụjụ zara onwe ya ma ọ chọkwaghị azịza. N'ezie ọ bụ okwu nkịtị nke a kpachapụrụ anya rọgharịa n'ụzọ ọ dị ka ajụjụ iji wee wulie mmụọ maọbụ iji rụtụ ihe a chọrọ ikwu aka nke ọma. Ha gunyere:

- A gbaa mbụ, ọ Tụọ n'ogwe, a gbaa abụọ ọ tụọ n'ogwe, ọ bụ ogwe ka a pịịrị akụ? (ihu:53). ọ bụ ka ọnwụ na-adị? (ihu: 56)
- Mmiri riri enyi ka mbe na-awakwara ọgọdọ, mbe ọ ga-awụ mmiri ahụ? Ka ọ ga-egwu ya egwu? (ihu:72), wdg.

**OKWU MBITE**

- Mekaniiki (ihu: 57)
- Nọmba (ihu:98)

**OLUNDỊ**

- Ịfịọta (ihu:2,3)
- Ewoghi (ihu:22)
- Akpọrị (ihu:25)
- Kere (ihu:25), wdg

**NDEJỌ DỊ N'AKWỤKWỌ**

| Ihe ndehie | Ihu akwụkwọ | Ihe o kwesiri Ịbụ |
|---|---|---|
| Akọrị | 25 | Akparị |
| Nara | 34 | Lara |
| Mụ | 39 | Mụrụ |
| Okafor | 52 | Okafọ |
| Nma | 80 | Mma |
| Mụọ | 84 | Mmụọ |
| Onyeagwalam | 99 | Onye agwala m |
| Eti eti | 101 | Eti eti |

**IHE NCHỌCHA, NCHỊKỌTA NA NTỤNYE ARO**

**Nchịkọta Nchọpụta**

Na nchọcha a, a chọpụtara na odee ghalịrị nke ukwu ịhụ na o webataghị ọtụtụ okwu mbite na olundị mgbe ọ na-ede akụkọ ya, ọ gbara mbọ nke ukwu n'iji asụsụ Igbo Izugbe dee akwụkwọ iduuazị a. Ọ malitere akụkọ ya n'isi, ọ mabighị ya amabi. Odee akụkọ a gbasokwara ezigbo usoro dị mma e ji ede akụkọ were dee ya n'ihi na ihe mere n'isi na-enwe mmetụta n'isi nke ọzọ na-esote ya. Nke a mere n'edemede ya na-aga were were n'ọnụ mgbe a na-agụ ya. Ọ kọdakwara akụkọ ya ala nke ọma. Ahịrịokwu ya na-adị nke nke na nke nke, nke mere ka ịgụ ya bụ akwụkwọ iduuazị dị mfe ma dịkwa ụtọ. O jikwa nka asụsụ dị iche iche wee chọọ akụkọ ya mma. N'iduuazị a bụ Ọja Dufuo Dike, odee kọwara na mmadụ tosiri iche ihe ọbụla a gwara ya eche nke ọma tupu ọ gbaso ụkpụrụ ahụ. Nke a bụ maka na a na-atụ n'ilu si na dibịa na-agbara ofeke afa, ofeke na-atụgharịkwa n'ime obi ya tupu o mewe, maka na anụ nwere ajị soro ngwere mma mmiri, ọ kọọ ngwere, ọ gaghị akọ ya. Ọzọ bụ na onye chọwakwa ogologo ndụ, ya zeere oke akpịrị na asịrị n'ihi na a jụghị ajụ eri na arjaghị arịa anwụ bụ nwanne. Nke a bụ maka na ọ bụ oke akpịrị butere Ọbịị ọnwụ, ebe ige asịrị dularа dike bụ Ikpeamaego ala mmụọ. Anyị chọpụtara na ebumnobi odee o jiri dee akwụkwọ ya bụ ka ọ kọwara ọhaneze na ụkwụ na-aga wam wam, na anya na-aga sam sam na-ahụ ya, onye na egbu, ya na-ezere isi ya, n'ihi na onye gbughie, ọ da gbuo ya. Ebe ndị o bu n'obi dee ya bụ n'ebe ọtụtụ ụmụ nwaanyị ndị na-eji ahụ ha achụ ego na ndị eziokwu na-afụ ụfụ na ntị dịka Okwuanyịọnụ na Ọmicha.

**MMECHI**

Nchọcha a lebanyere anya na nkaasụsụ dị ka ọ dị n'akwukwọ iduuazị 'Ọja Dufuo Dike'. Mbunobi nchọcha a bụ izipụtagasị nkaasụsụ dịgasị n' akwụkwọ iduuazị a ma kọwadaa ha nke ọma dị ka o si gbasata akụkọ e nwere n'iduuazị a siri dị. Nchọcha a elebanyeghị anya na ntapị nkaasụsụ niile ahụtara n'akwụkwọ iduuazị a, kama ọ bụ naanị ilu, asinilu nakwa atụmatụ okwu ụfọdụ ndị ọzọ ka ọ tapịrị.

**NTỤNYE ARO**

Na ntụnye aro, ndị nchọcha na-agwa ụmụ akwụkwọ ndị nọ na ngalaba amụmamụ asụsụ, tụmadị n'Igbo ka ha na-enwe mmasị n'akwụkwọ iduuazị Igbo ma gakwa n'ihu n'inyocha ndị a

na-enyochabeghị iji chọpụta mma ha na n'ebe ha riri mperi. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ onye banyere n'ime ụlọ bụ naanị onye nwere ike ikwu etu ụlọ ahụ dị. Ọzọ, onye ga-eme ụdị nchọcha a ga-agba mbọ hụ na ya mara ihe ekwe na-akụ banyere atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ ọbụla ọ na-eme nchọcha na ya, ka o onwe ike mara nke bụ nke.

**EDEMSỊBỊA**

Abrams, M. H. (1981). A Glossary of literary terms. New York: Holt, Rinahart and Winston.

Anozie, C. C. (2007). Uche Bụ Akpa. Onitsha: Varsity Publishing Company Ltd.

Crystal, D. (1971). Linguistics. London: Hazell Watson and Viney Ltd.

Ebe, A. E. (2003). Ederede n'aka nke ebipụtaghị ebipụta n'akwụkwọ.

Emenanjọ, N. (1987). Element of modern Igbo grammar. Ibadan" Oxford University Press.

Eze, C. N., Aboh, C. S. & Aruah, V. O. (2017). Uru asụsụ bara na mwulite, nchekwa na mbufe sayensị na nkanụụzụ: Dịka si metụta Naịjirịa. Na K. Nwadialor (Ohz.). The Creative Artist: A Journal of Theatre and Media Studies, 13(2), 158-169.

Ezebuilo,C. N. & Eze, E. A. (2022). Uru asụsụ bara na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa di ka o si metụta nje na ọrịa obirinaajaọcha. Port-Harcourt Journal of History & Diplomatic Studies (PJHDS), 9(2), 319-335.

Hornby, S. A. (1974). Oxford advanced leaners dictionary of current English. Oxford University Press.

Igbeaku, B. C. (2009). Ntọala nnyocha agụmagụ ederede. Nsukka: Paschal Communication.

Igiligi, T. C. na Ogenyi, S. O. (2006). Literature for enjoyment. Enugu: Amazing Grace Publishers.

Ngoesi, M. C. (2000). Nchikọta ihe ọmụmụ nke Asụsụ Igbo maka ule sinio sekọdịrị. Nkpor: Optimal Press Limited.

Nwadike, I. U. (1992). Ntọala agụmagụ Igbo.Nsukka: Ifunanya Publisher.

Ọfọmata, C. E. (2005). Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị junio sekọdịrị. Enugu: Fidgina Global.

Okafo, S. O. (2008). Akanka n'agụmagụ Igbo. Enugu: Colours Communication.

Okebalama, C. N. (2003). Mkpolite agụmagụ ọnụ Igbo. Enugu Snaap Jones.

Okeye, O. I. (2004). Ntụzịaka maka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ na omenala Igbo nke ndị junio sekọdịrị nta. Enugu: Innoge Trading Company Limited.